# EBE NCHÉBE NA ỌÑỤ NKE ONYE EZIOMUME

## Abù Ọma 91:1-16

### IHE ỌMỤMỤ 83 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nkù-Ya ka Ọ gēji kpuchie gi, ọ bu kwa n'okpuru nkù-ya abua ka i gāgbabà; Ọta uku na ọta di gburugburu ka ezi-okwu-Ya bu" (Abù Ọma 91:4).**

**I Ụzo Nzuzo Eji Anata Nchébe Chineke**

1. Ekpere dị mkpà -- "Ọ gākpọkum," Abù Ọma 91:15; Ọlu Ndi-ozi 2:21
2. Ịgụ Okwu ahụ dị mkpà -- "Ọta uku ka ezi-okwu-Ya bu," Abù-Ọma 91:4; Job 23:12; Abù Ọma 119:11
3. Okwukwe bụ mmeri: -- "Onye m'nātukwasi-obi," Abù Ọma 91:2; 1 Jọn 5:4
4. Ịnọgidesi ike n'ụzọ ahụ dị mkpà -- "Onye nēbi …," Abù Ọma 91:1, 9; Matiu 10:22
5. Ịhụ Chineke n'anya na ịmara Ya na-eweta nnapụta ebighị ebi, Abù Ọma 91:14; Jọn 17:3; Abù Ọma 9:10

**II Nguzosi Ike nke Nchébe Chineke**

1. Ya onweya "gānaputa gi," Abù Ọma 91:3
2. "Nnu madu abua na ọgu-iri gāda … Ma ọ gagh-abiaru gi nso," Abù Ọma 91:7, 8
3. "Ndi-mọ-ozi-Ya ka Ọ gēnye iwu banyere gi," Abù Ọma 91:11, 12; Ndi Hibru 1:13, 14

**III Ihe Ụfọdụ Ná-akpata Ọñụ**

1. "I gagh-atu egwù," Abù Ọma 91:5, 6; 2 Timọti 1:7
2. "Ihe ọjọ agagh-adakwasi gi," Abù Ọma 91:10
3. "Ubọchi ndu di ogologo ka M'gēji me ka afọ ju ya, M'gēme kwa ka o lekwasi nzọputam anya," Abù Ọma 91:16
4. Ndị eziomume bụ ndị mmeri: -- "I gāzọgbu nwa ọdum," Abù Ọma 91:13
5. "M'gāsọpuru kwa Ya," Abù Ọma 91:15

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

### Onyinyo Ahụ

Abù Ọma nke a na-egosi nchébe nke Chineke nye ndị Ya. Ọ na-egosi ihe ngosi ụzọ Chineke ji achịkọta ndị Ya n'okpuru nkù Ya dịka nnekwu ọkụkụ si ekpuchi ụmụ ya. "Nkù-Ya ka Ọ gēji kpuchie gi, ọ bu kwa n'okpuru nkù-ya abua ka i gāgbabà ." Jisọs ji nkọwa dị otú a kwuo okwu banyere mmetụta Ya maka Jerusalem, "Ọtutu mgbe ole ka M'chọrọ ichikọ umu-gi, ọbuná, dika nneku-ọkuku nāchikọ umu nke aka ya n'okpuru nkù ya abua, ma unu achọgh" (Luk 13:34).

Na mgbe nsogbu ọtụtụ na-achọ inyeaka nke Chineke na-enye, ma ha adịghị achọ imezu ihe niile dị mkpà iji bata n'okpuru nkù Ya. Mkwà niile nke Abù Ọma nke a dịịrị ndị ná-ebi n'ebe nzuzo nke Onye kachasị ihe niile elu. A na-eru ebe ahụ site n'Ọbara nke Kraist. Tupu mmadụ abụrụ onye ga-ebi n'ebe nzuzo ahụ ọ ga-abụ onye chègharịwororị site ná mmehie ya ma nara kwa mgbaghara. "Ọ mawo aham," ná-egosi mmekọrịta nke mmadụ na Chineke nke bụ náánị site n'ọmụmụ ọhụụ. "Ma nka bu ndu ebigh-ebi ahu, ka ha mara Gi. Nke nání Gi bu ezi Chineke, mara kwa Onye I zitere, bú Jisus Kraist" (Jọn 17:3).

### Ịnọgide Nime Chineke

Mgbe mmadụ nọ n'ebe nzuzo ahụ (nke bụ inwe ezi nzọpụta) ọ dị mkpà ịnọgide n'ebe ahụ ka onye ahụ wee bụrụ onye nketa nke nchébe ahụ enyere. Dịka n'onyinyo, nwa ọkụkụ aghaghị ịnọgide n'okpuru nne ya ka o wee nwee nnapụta, otú ahụ ka anyị ná-aghaghị ịnọgide n'okpuru nkù Ya. Ebe Akwụkwọ Nsọ kwuru na "N'ihi na gi onwe-gi asiwo, JEHOVA … bu ebe mgbabam," n'ihi ya anyị aghaghị ibi nime Chineke mgbe niile. Ọ bụ ihe pụrụ ime ịbụ onye azọpụtara otù mgbe, nọdụ kwa n'okpuru nchébe dị nsọ nke Onye pụrụ ime ihe niile ma mesịa bụrụ onye kpafuru wee fuo ruo mgbe ebighị ebi. N'ihi nke a ọ dị mkpà ịnọgide n'ụzọ ahụ. Jisọs sịrị, "Ọ buru na unu onwe-unu anọgide n'okwum, unu bu ndi nēso uzọm n'ezie" (Jọn 8:31). Ozi nke Chineke site n'ọnụ Ezikiel bụ "Ezi-omume nke onye ezi-omume agagh anaputa ya anaputa n'ubọchi njehie ya" (Ezikiel 33:12). Ọ bụrụ na ị bụ otù onye nime ndị rapuworo mkpuchi nke okpuru ndò nkù Ya, ị nọ n'ebe dị egwù, n'ihi na ọ bụrụ na ị nwụọ nime mmehie gị, ị ga-efu mgbe ebighị ebi. Laghachi ngwa ngwa ná mkpuchi nke nchébe Ya (Ezikiel 33:11; Deuteronomi 33:27).

### Ekpere

Otù nime ihe Onye Kraist ga-eme ka o wee nọgide nime Onyenweanyị bụ ikpesi ekpere ike. "Ọ gākpọkum." Jisọs enyewo anyị mkwà ahụ, "Ihe ọ bula unu gāriọ kwa n'aham, ihe ahu ka M'gēme" (Jọn 14:13). O zikwara anyị, "Na ha aghagh ikpe ekpere mgbe nile" (Luk 18:1).

**Okwu Ahụ**

Onye ahụ ná-ebi n'ebe nzuzo ga-adabere n'Okwu Chineke maka ike na nduzi. "Ọta uku na ọta di gburugburu ka ezi-okwu-Ya bu." Mgbe ekwensu nwara Jisọs, Ọ dabeere n'Okwu ahụ. Ọ bụ iguzo n'Okwu Chineke wetaworo ọtụtụ ndị orù nke Chineke ịgabiga ọtụtụ ebe siri ike. Otù onye nime ndị ná-atụ bọmbụ (ma ọ bụ ogbun'igwè) n'agha ụwa nke ugbò abụọ kwuru maka ndabere ya ná mkwà nke Abù Ọma nke a ugbò 35 (iri-atọ na-ise) ha jere tụọ bọmbụ na Japan. Mkwà niile ahụ dubigara ya ma chébe kwa ya n'ọtụtụ ihe ize ndụ nke ụgbọ elu eji ebu agha. Ọ latara ụlọ n'udo ọ bụ ezie na ogbun'igwè gbawara otù ụgbò ihe dịka, nzọụkwụ abụọ site n'ebe ọ nọ.

**Okwukwe**

"Onye m'nātukwasi-obi." Ọ na-ewe okwukwe na Chineke iguzosi ike ná mkwà Ya. Asị na okwukwe adịghị ọ bụ ihe a na-apụghị ime bụ́ ime ihe ga-atọ Chineke ụtọ. ma lee ọtụtụ ihe ukwu apụrụ ime site n'ịtụkwasị Ya obi! Jisọs sịrị nwoke ahụ kpuru ìsì, "Laba, okwukwe gi azọputawo gi" (Mak 10:52). Edere ya n'Akwụkwọ Nsọ na ọtụtụ ndị mgbe ochie sitere n'okwukwe "lugbu ala-eze, lu ọlu ezi-omume, nata nkwa di iche iche, kpuchita ọnu ọdum, menyu ike ọku, gbanari iru-nmà-agha, ndi esitere n'okwukwe me ka ha di ike site nādigh-ike, me ka ha di ike n'agha, ndi sitere n'okwukwe chulaga usu ndi-agha nke ndi ala ọzọ" (Ndi Hibru 11:33, 34).

**Nchébe**

"I gagh-atu egwù." Lee mkwà dị ebube otú a ! Mmadụ na-eme ihe ọ bụla ọ pụrụ ime iji nweta mkpuchi site n'ihe ọ na-atụ egwù. O mewo ọtụtụ iwu na àtụmàtụ iji nápụta onweya site n'ịda ogbenye ma ọ bụrụ na ihe mberede abịa, ọrịa na ịká nká. Ma ọ́ bụ nááni nime Chineke ka inwere onweonye pụọ n'egwù dị. Enyere ndị Kraist óké ntụkwasịobi site n'ịmara na "ihe nile nālukọ ọlu iwetaara ndi huru Chineke n'anya ezi ihe" (Ndi Rom 8:28). Ọtụtụ ugbò ka nchébe nke Chineke pụtaworo ìhè nye ụmụ Ya. Tụgharịa uche banyere nchebe Ya nye ụmụ Israel site n'ala Ijipt ruo Ala Mkwà ahụ. "Ndi mọ-ozi Ya ka Ọ gēnye iwu banyere gi" bụ́ nchekwube nke Onye Kraist na ọ dịghị ihe pụrụ ime ya ma ọ bụrụ na Chineke akwagideghị ya. Olileanya na àkụ̀ nke Onye Kraist dị n'Eluigwe, Chineke nwere ike ịkpọpụ ya n'ụwa mgbe ọ dị na nwata ma ọ bụ agadị. Olileanya nke onye-mmehie bụ̀ nááni n'ụwa a, na izute "nkwughachi nke ndi nēmebi iwu" bụ́ ịlan'iyi ebighị ebi. Ọ bụ ezie na mgbe ụfọdụ Onye Kraist na onye ná-emebi iwu na-anwụkọ n'anụarụ n'otù ọgbọ agha ma mkwụghachị nke ụgwọọlụ ha dị iche iche. Ngwa ngwa mkpurụobi nke Onye Kraist na-ala n'Eluigwe, ma mkpụrụobi nke onye ná-emebi iwu na-efu ebighị ebi nime ọkụ ala-mmụọ.

**Mmeri**

"Ọbuná ọdum na aju-ala ka i gāzọkwasi ukwu." Nchébe nke Onye Kraist abụghị nááni megide ibu agha nke onyeiro nke mkpurụobi ya kama a na-agbà kwa ya ume ijé lụọ ọ̀gụ̀ ma merie kwa. Pọl pụrụ ikwu, "Ma ekele diri Chineke, Onye nēnye ayi nmeri site n'aka Onye-nwe-ayi Jisus Kraist" (1 Ndi Kọrint 15:57). Mkwà nke Chineke nye ndị Israel bu "Otù nwoke nime unu nāchu nnu ndikom abua na ọgu iri" (Joshua 23:10). Mkwà Chineke kwere ndị Israel maka mmeri nke ihe a na-ahụ́ anya akarịghị mkwà mmeri nke ihe ime mmụọ nke O kwere ndị nke Ya n'ụbọchị ndịa. Abù Ọma nke mmeri a kwụsịrị ná mkwà nke nnapụta, nsọpụrụ, ogologo ndụ, ojuju afọ na nzọpụta.

## AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Gịnị ka ọ pụtara bụ́ ibi "n'ebe nzuzo nke Onyue kachasi ihe nile Elu"?
2. Gịnị ka ọ pụtara bụ́ "n'igbudu nke osi-ọnyà," gịnị ka ị ga-eji ya tụnyere n'ihe nke ime mmụọ?
3. Òlee ebe ọzọ yiri amaokwu nke asaa (7) nime Akwụkwọ Nsọ?
4. Gịnị bụ ihe dị iche ná "nkwughachi nke ndi na-emebi iwu" na nke onye eziomume?
5. Òlee ndị ná-echébe ndị eziomume? Òlee ebe ọzọ n'Akwụkwọ Nsọ ná-akwagide nke a?
6. Chọpụta ebe atọ nke ná-egosi na mkwà nke Abù Ọma nke a dịịrị ndị azọpụtara azọpụta?
7. Òlee amaokwu nke ná-egosi okwukwe nime Chineke?
8. Depụta mkwà niile nke ị pụrụ ịchọpụta nime Abù Ọma nke a.